# ỊDỊ N'OTÙ NKE NZUKỌ AHỤ

**Ndi Efesọs 3:14-21; 4:1-16.**

**IHEỌ̀MỤ̀MỤ̀ 402**

**Nke Ndịetiti**

**AMAOKWU IBUN'ISI: "Le, ka o si di nma, ka o si di kwa utọ nke uku, Bú nbikọ nke umu-nne, ọbuná ibikọ n'otù!" (Abù Ọma 133:1).**

### Igbu Ikpere N'Ekpere

N'akwụkwọ Pọl degaara Ndi Efesọs ka edere otù ekpere. Pọl kpeere nzukọ dị n'Efesọs ekpere. Dịka onye náezisa oziọma, Pọl ejéworị ebe ahụ wee soro ndị ahụ rụrịta ụka (Ọlu Ndi-ozi 18:19). Na njèm nke atọ Pọl ịgbasa oziọma ọ nọrọ arọ abụọ n'Efesọs (Ọlu Ndi-ozi 19:10), náezi ndị ahụ oziọma. O nwere mmasị n'ebe ha nọ na ọ bụghị náánị na o deere ha akwụkwọ kama o kpekwara ha ekpere. "Ka m'ji gbue ikperèm abụa n'ala nye Nna ayi". Nke a naegosi ọnọdụ Pọl nọ mgbe o kpere ekpere. O kpesiri ekpere ike. Mmadụ igbu ikpere ya n'ala n'iru Chineke naegosi ịdịumeala n'obi na nsọpụrụ. Ụfọdụ adịghị echè échìchè igbu ikpere n'ala kpee ekpere kama ọtụtụ ebe nrụtụ aka dị na Baịbụl banyere ndị n'egbu ikpere n'ala kpee ekpere. Jisọs n'onweYa gburu ikpere n'ala kpe ekpere n'Ogige Getsemene. Tupu a kpọgide Kraist n'obe O gburu ikpere n'ala kpe ekpere, "ka eme ihe Gi onwe gi nāchọ, ọ bụgh ihe Mu onwem nāchọ" (Luk 22:41, 42).

Onyeodeabụ sịrị, "Batanu, ka ayi kpọ isi-ala ruru kwa ala; ka ayi gbue ikpere n'ala n'iru JEHOVA onye meworo ayi" (Abù Ọma 95:6). Daniel gburu ikperè ya n'ala ugbò atọ n'ụbọchị, náekpe ekpere náekele ekele n'iru Chineke-ya (Daniel 6:10). Nke a abụghị náánị otù ụzọ esi ekpeekpere, kama ọ bụ ụzọ dị mma. N'ikpere ya, mmadụ naenwe mmetụta na ọ nọ Chineke ezi nso, ọ naenwe kwa okwukwe na Chineke gaaza ekpere ya. Akwụkwọnsọ naekwu banyere oge ahụ mgbe Jisọs gaachị n'ụwa a, ikpere niile ọ bụla gaegburu Ya, ire niile ọ bụla gaekwupụta kwa Chineke (Ndi Rom 14: 11; Aisaia 45:23).

### Ike nke Imemmụọ

Pọl kpere ndị azọpụtaworo ekpere. Ọchịchọ obi ya bụ ka ha nara ngọzi karịrị n'aka Onyenweanyi ka ha wee dị ike nime Onyenweanyi. O kpere ekpere ka e me ka ha dị ike nime "madu ime unu" -- mmụọ nke madụ. Ọ pụtara ịdị ike nime mmụọ. Na II Ndi Kọrint 4:16 anyi naagụ, "Amēme ka madu ime ayi buru ihe ọhu kwa-ubọchi." Mgbe mmadụ naachọ arụike ọ naegwù egwùriegwù ndị ahụ náeme ka ọ gbasieike náakpachapụ kwa anya ná nri ọ naeri. Mgbe mmadụ chọkwara ịdịike nime mmụọ ọ gaagbalịsikwa ike otùaka ahụ iri mana ahụ nke si n'eluigwe na anụ nke mmụọ ahụ, anagbasi kwa ike n'ihe ndi ahụ Chineke naakụzi. Site naekpere, site n'okwukwe, site na ịgụ Akwụkwọnsọ, na itinye ihe ọ na agụta ná ndụ ya, ọ naetóetó ná agbasike. Onye ahụ agaghị abụ onye náadịghịike maọbụ onye nwere obi abụọ, kama ọ pụrụ ịnaetóetó náadị ike nime Kraist kwa ụbọchị. Onyenweanyị gaenyere ya aka nye kwa ya ike ịdị ike nime Onyenweanyi. Chineke pụrụrị imere anyị karịa ka anyị pụrụ ịrịọ maọbụ iche. Ekwuworị na "échìchè" anyị karịrị "arịrịọ" anyị ma "ike" Chineke karịrị ha niile.

### Akụ̀naụba

O nweghi nsọtụ dịrị àkụ̀naụba nime Kraist. Ha abụghị ego ma ọbụ ọlaọcha na ọlaedo, kama ha bụ ngọzi dị ókéọnụahịa sitere n'Onyenweanyị: "Ka Kraist we site n'okwukwe unu bigide nime obi unu" Mgbe mmadụ nwere Jisọs nime obi ya ọ naenwe eziihe n'ụbà. Ịhụn'anya naabata mgbe Jisọs batara nime obi. Mmadụ naebuụzọ enwe ịhụn'anya ahụ, emesịa anaatụkwasịrị ya ngọzi ndịọzọ. Mgbe ịhụn'anya Kraist dị nime obi anyị, anyị naahụ́ Ya náanya. "Ayi onwe-ayi n'ahu Ya n'anya, n'ihi na Ya onwe-ya buru uzọ hu ayi n'anya" (I Jọn 4:19). "Ayi onwe-ayi matara na ayi esitewo n'onwu ba ná ndu, n'ihi na ayi n'ahu umu-nna ayi n'anya" (I Jọn 3:14). "Madu nile gēji nka mara na unu bu ndi nēso uzọm, ọ buru na unu enwerita ihu-n'anya n'ebe ibe-unu nọ" (Jọn 13:35). Onye nwere Jisọs nime obi ya anaghị ahụ́ náánị Kraist na ndị Ya n'anya kama ọ naahụ́ ndịagbataobi ya na ndịiro ya n'anya (Matiu

22:39; Luk 6:27). Náarụghịụka Pọl gwara ndị Efesọs na ịhụn'anya Kraist "kariri ọmụma nke-uku ri nne." Anyị apụghị ịghọta ya ma anyị pụrụ inweta ya.

Ịhụn'anya Jisọs naebu ụzọ abata nime obi, emesịa oghere adịrị "ojuju nile nke Chineke." Onyenweanyị nwere ọtụtụ ngọzi Ọ kwadobere ndị Ya nke anaapụghị ịghọtazu ha. N'otù n'otù ka Chineke naenye ha ngọzi ọhụụ ha na aghọta kwa óké akụnaụba nke Kraist karịa.

**Ọkpụkpọ Dị Elu**

Ị bụ OnyenkeKrasit na onyenáesoụzọ Jisọs bụ ọkpụkpọ dị elu. Pọl chetaara ndị Efesọs ka ha jègharịa dịka o kwesịrị ọkpụkpọ nke akpọrọ ha. Pọl gwara ndị Efesọs otú ha pụrụ idebe ịhụn'anya Chineke n'obi ha. Okwu Pọl adịrịghị náání ndị Efesọs, anyị pụkwara irita urù na ha. OnyenkeKraist gana ejègharị "n'obi ume-ala na idi-nwayọ nile, n'ogologo ntachi-obi; nānagiderita ibe-unu nime ihun'anya." Nke ahụ pụrụ ịdà ka o siriike ịbụ OnyenkeKraist, kama ịhụn'anya Chineke n'obi OnyenkeKraist naeme ya ka ọ chọọ ime ihe ndị ahụ. Ọ bụrụ na mmadụ ahụ́ Kraist n'anya n'ezie, ọ naghị ebuli onweya elu n'isi ndiọzọ -- ọ naenwe obi dị umeala. Ọ bụrụ na ọ hụrụ Jisọs n'anya n'ezie, ọ naghị eseokwu ma ọ bụ ime ọchịchọ obi ya -- ọ naadị nwayọ.

**Ịdị nsọ**

"Nānu ọku n'obi idebe idi-n'otù nke Mọ Nsọ nime ihe-okìké nke bu udo." Ịnụọkụ n'obi pụtara ịgbalisike na ịlụọlụ. Ọ pụtara na ọ dị mgbe ụfọdụ mmadụ ganaagbalisiike idebe ịdịn'otù nke Mmụọ Nsọ. Ịdịn'otù pụtara ịbụ otù, nke ahụ bụ kwa àtụ̀màátụ̀ Chineke nye Ndị ya. Jisọs kpeere ndịnáeso Ya ekpere, "ka ha nile we buru otù; dika Gi onwe-gi di nimem, dika Mu onwem di kwa nime Gi, Nna. Ka ha onwe-ha we di kwa nime ayi" (Jọn 17:21). "Mu onwem nime ha, Gi onwe-gi kwa nimem, ka ewe me ka ha buru ndi zuworo okè ibu otù; ka uwa we mara na Gi onwe-gi ziterem, na I hu-kwa-ra-ha n'anya, dika I hurum n'anya" (Jọn 17:23). Jisọs kpekwara ekpere ka edo ndị náesoYa nsọ (Jọn 17:17), nke gaeweta ịdị n'otù na nnapụta site n'ụdị mmadụ Adam. Ọ bụ àtụ̀màátụ̀ Chineke ka ndịnkeKraist dị ka Kraist náeje kwa ijè "nime ezi omume na idi-ọcha nke ezi-okwu ahụ" (Ndi Efesọs 4:24).

Ná Mkpughe 19:8 anyị naagụ banyere ndị ahụ gaeje ịnọnyere Jisọs na Nrianyasị nke ọlụlụnwuye nke Nwaatụrụ ahụ. Ha mezuru Nwunye ọhụụ nke Kraist ewe "kweyere ya ka o gbokwasi onwe-ya ezi ákwà ọcha nēnwu enwu, nke di kwa ọcha: n'ihi na ezi ákwà ọcha ahụ bu ezi omume nile nke ndi nsọ." Ọ dị mkpà ka mmadụ bụrụ onye eziomume, dị kwa nsọ. Na I Pita 1:16 anyị naagụ: "Edewo ya n'akwụkwọ nsọ, si, Unu gādi nsọ; n'ihi na nsọ ka Mu onwem di". Ná Ndi Hibru 12:14 anyị naahụ́ na ọ bụrụ na idonsọ adịghị mmadụ apụghị ịhụ́ Onyenweanyị.

**Ịdị n'otù**

Pọl kwuru ihe mere ịdịnotù ma ọbụ ịbụotù jiri dị mkpà: "N'ihi na ayi nāburita ihe di n'aru ibe-ayi" (Ndi Efesọs 4:25). Pọl were mkpụrụ okwu a bú "otù" kwueokwu ugbò asaa n'isi akwụkwọ a igosi otú ịdịn'otù nke ndị kwereekwe kwesịrị izuókè. Otù Chineke dị. Otù Onyenweanyị bụ́ Jisọs Kraist dị. Otù Mmụọ dị kwa, otù okwukwe, otù baptism, otù olileanya nke ndi niile azọpụtara dị, nke bụ ha na Jisọs ịnọ rue mgbe ebighịebi. Otù arụ nke ndị nke-Kraist niile dị kwa, nke a ahụ bụ Nzukọ ahụ, nke amara dịka arụ nke Kraist. Akpọkọtara ha site n'ala niile, n'obodo niile, na asụsụ niile. Ọ bụ ndị kwereekwe jikọtara Nzukọ ahụ ọnụ, ma ndị Juu na ndị Mbaọzọ. Eji ya tụnyere "ezi na-ulọ zuru ezu."

**Onyinye**

Onye ọ bụla n'èzínaụlọ Chineke ka enyere onyinye maọbụ talent. Ọ bụghị mmadụ niile pụrụ ịbụ abụ̀ nkeọma. Ọ bụghị mmadụ niile pụrụ izisa oziọma, "Ma ọ bụ ayi nile n'otù ka enyere amara ahu dika ọ̀tụ̀tụ̀ nke onyinye Kraist si di." Onye ọ bụla gaenye Chineke ọ̀zịzá otú o si were onyinye enyere ya lụọọlụ. Ụfọdụ gaachọ ịlụọlụ enyere ndịọzọ, kama anyị niile n'otù n'otù gaalụọlụ nke enyere anyị. Lee ụdị ọgbaaghara gaadị ma mmadụ niile guzo ọtọ otù mgbe izisa oziọma! A gaghị enwe ndị nọ na nzukọ gaegentị. Apụrụ inwe karịa otù onye ozi ná nzukọ, kama ha niile n'otù n'otù nwere ọlụ nke ya ọ gaalụ, ha naewere kwa ọnọdụ ha n'otù n'otù. "Chineke abugh Chineke nke aghara, kama Ọ bụ Chineke nke udo; otú ọ di nime nzukọ nile nke ndi nsọ" (I Ndi Kọrint 14:33).

**Otù Arụ**

Ka mmadụ niile n'otù n'otù náalụọlụ n'akụkụ ruturu ya, ntolite nime Kraist ganaadị kwa, anyi ganaadị kwa ka Ya karịa bụ́ Onyeisi anyị. Apụrụ iji Nzukọ ahụ tụnyere arụ. Aka na ụkwụ dị mkpà; ya mere na arụ Kraist, ndị n'abụ̀abụ̀ na ndịòzízí dị mkpà n'otùaka ahụ ndị náejéozi na ndị náezisa oziọma dị kwa mkpà. Onye ọ bụla gaalụọlụ, ịbụ "madụ zuru ókè." Chee échìchè otú ọ gaadị ma ọ bụrụ na aka ekpebie na ya chọrọ ịlụọlụ ụkwụ! Otú a ka ọ ganadị mgbe otù onye naagbalị ịlụọlụ enyeworo onyeọzọ. Chèè otú ọ gaadị ma otù ụkwụ jewara n'otù ụzọ, nkeọzọ ejéwara n'ụzọ ọzọ. Otú ahụ ka ọ naadị mgbe onye ọ bụla adịghị alụọlụ n'ịdịn'otú na n'ịhụ́n'anya. Chineke emewo ya ka ọ bụrụ ihe apụrụ ime ka mmadụ niile bikọ n'otù wee lụkọta ọlụ n'otù, mgbe ha naenwe ịhụ́n'anya Chineke nime obi ha wee bụrụ ndị edozuworo nsọ, mgbe ha naatụkwasị Chineke obi náerubeisi n'okwu Ya. Ha niile n'otù n'otù naemezu arụ Kraist -- "arụ nile, ebe anēwere nkwonkwo nile ọ bula nke nnyezu kwukọ ya nke-ọma jikọ kwa ya."

**AJỤJỤ DỊ ICHEICHE**

1 Izisa oziọma gaa n'Efesọs nke ugbò òle ka anyị naamụ́ n'iheọ̀mụ̀mụ̀ a?

2 Òlee otú anyị si mara na Pọl gburu ikpere n'ala ikpere Nzukọ ahụ ekpere?

3 Kpọọ aha ndịọzọ edere n'Akwụkwọnsọ bụ́ ndị gburu ikpere n'ala ikpeekpere.

4 Gịnị ka mmadụ pụrụ ime iji too etó nime Mmụọ?

5 Gịnị mere mmadụ gaeji náetóetó nime mmụọ?

6 Kwupụta ugbò asaa ahụ n'iheọ̀mụ̀mụ̀ a Pọl jiri mkpụrụokwu "otù" kwueokwu?

7 Gụpụta ebe ọzọ n'akwụkwọnsọ nke gbasara Ịdịnsọ.

8 Òlee otú esi jiri Nzukọ tụnyere arụ Kraist?

9 Gịnị bụ Ịdịn'otù?

10 Òlee otú mmadụ pụrụ iji nweta ịdịn'otù?